# EMEME NKE ỌTỤTỤ IZU

## Ọpupu 23:14-17; Levitikọs 23:15-22; Deuteronomi 16:9-12; Ọlu Ndi-ozi 2:1-18, 37-41

### IHE ỌMỤMỤ 87 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Webatanu otù uzọ n'ụzọ iri nile n'ulo-àkù nkem" (Malakai 3:10).**

**Ememe dị Iche Iche**

Onyenweanyị gwara ụmụ Israel na ha ga-edebe ụzọ ememe atọ n'arọ, n'oge ahụ ka achọrọ ka ụmụ ndịkom niile gosi onweha n'iru Chineke. Ndịnyom ịbịa na ya bụ ná mmasị, ma ụfọdụ nime ha ga-esoworị ndịkom n'idebe ememe a niile. Ná-arụghị ụka ha na-ele anya n'ọdịn'iru mgbe ha na ndị nke Chineke ga-agbakọ n'ifè òfùfè n'ememe niile ndịa ịnata ngọzi nke Chineke.

Nke mbụ ka a na-akpọ ememe Ngabiga, nke bụ maka icheta mgbapụta ha site n'Ijipt. Nke abụọ bụ ememe nke ọtụtụ izu nke bụ igosi obi ekele nye Onye ahụ nke ná-enye owuwe ihe ubi. Ekwere na nke a bụ kwa iji ná-echeta Iwu ahụ enyere, bụ nri nke ime mmụọ ahụ nke a na-esite na ya ná-azụ mkpụrụobi. "Ọ bugh nánị achicha ka madu gēji di ndu, kama ọ bu ihe nile ọ bula nke nēsi n'ọnu JEHOVA puta ka madu gēji di ndu" (Deuteronomi 8:3). Ememe nke ụlọ ntù, ma ọ bụ nchịkọta ihe, bụ nke atọ.

**Pentikọst**

Ebe anyị mụworo ihe banyere ememe Ngabiga ma n'oge ná-adịghị anya anyị ga-amụ kwa ihe banyere ememe ụlọ-ntụ, anyị ga-atụle ememe nke abụọ ahụ, bụ ememe nke izu asaa nke ụbọchị asaa n'ihi na ha ga-agụ izu asaa site ná mmalite nke owuwe ihe ubi iji chọpụta ụbọchị ọ ga-amánye. Oge ụfọdụ a na-akpọ ya ememe nke owuwe ihe ubi. O nwekwara aha ọzọ ememe nke Pentikọst, ebe ọ bụ iri ụbọchị ise mgbe ememe Ngabiga gasịrị Okwu ahụ bụ Pentikọst bụ ihe esi n'asụsụ Grik wepụta nke pụtara iri ise.

Anyị amụwo na n'ụbọchị ahụ nke ná-eso Ụbọchị izuike nke ememe Ngabiga, Ụmụ Israel ga-eweta onyinye nke mkpụrụ sitere n'ubi -- ùkwù onyinye – n'ihi na ọ bụ mmalite nke owuwe ihe ubi. Ana-akpọ nke a onyinye nke mkpụrụ mbụ ebe ọ bụ na eburu ụzọ nye ya Onyenweanyị, ma ná-arụghị ụka ọ bụ ọka barley, ebe ọ bụ na ọka barley na-ebu ọka wheat ụzọ acha. Na Levitikọs 23:14, anyị na-agụ na ndị ahụ agaghị eri otù ihe ọ bụla nke sitere n'owuwe ihe ubi ahụ -- ọka ndụ, ọka añara aña, ma ọ bụ achịcha – ruo mgbe aga enyeworị Onyenweanyị onyinye a. Ùkwù onyinye ahụ abụghị náánị ido owuwe ihe ubi ahụ nsọ kama ọ na-eme kwa ka ọ bụrụ eziokwu. "Ma ọ buru na nkpuru mbu di nsọ, ogbe ùtù ọka agwọrọ agwọ di kwa nsọ" (Ndi Rom 11:16).

Mgbe onyinye nke ùkwù mkpụrụ mbụ ji izu asaa gasịa, Ụmụ Israel ga-ewetara Onyenweanyị ogbe achịcha ọka wheat abụọ, ịbụ kwa mkpụrụ mbụ ya na àjà nsureọkụ iji nyebiga Chineke onweha. N'ememe Ngabiga ha na-ewere náánị achịcha ekọghị eko nke ná-anọchita anya mmehie ha na kwa iji cheta achịcha ahụ ha doziri ngwa ngwa mgbe ha na-arapụ Ijipt; ma n'oge a ha ga-ewere achịcha koro eko igosi obi ekele ha n'ihi nri nke ụbọchị niile ha, bụ nke koro èkò ma ọ bụ nke eji ihe ná-ekò achịcha mee. Nke a ka a na-akpọ ememe nke izu.

**Onyinye Afọ Ofùfo**

Ọ bụghị náánị na ha ga-eji onyinye nke Chineke chọrọ n'aka ha bịa kama Ọ na-arapụrụ ha ụfodụ onyinye niile ahụ ha inye dịka o si dị onye ọ bụla n'obi. Ha ga-enye kwa onyinye afọ ofufo dịka Chineke gọziri ha. Dịka onye ọ bụla na-añụrị ọñụ taa mgbe o nyere Onyenweanyị n'afọ ofufo, ma oge, talent na ihe onwunwe, otú ahụ ka ọ bụ kwa oge óké ọñụ -- otuto na ikele Chineke n'ihi owuwe ihe ubi nke O nyere ha. Ha ná-añụrị kwa ọñụ n'inwere onweha mgbe ha leghachiri anya n'azụ n'oge ahụ mgbe ha bụrị orù nke ndị Ijipt. N'otù aka ahụ anyị na-enye kwa Chineke otuto mgbe anyị chetara ndụ ahụ nke anyị biri na mgbe gara aga, na otú Chineke si gbapụta anyị n'ịbụ orù nke ekwensu. Anyị na-añụrị kwa ọñụ n'inwere onwe nke anyị nwere ugbu a.

Enyekwara ha otù iwu (nke edere na Levitikọs 19:9) ịrapụ nsọtụ ọ bụla nke ubi na ọka echezọrọ n'ihi ndị ogbenye, ụmụ nwanyị di ha nwụrụ anwụ na ndị ọbịa. Anyị chetara na site n'iwu a Chineke lekọtara Rut. Nwanyị ahụ bụ onye Moab, onyeọbịa n'ala ahụ, nwunye nwa Naomi. Ọ rọọrọ ifè Chineke òfùfè karịa ya na ndị obodo ya ibikọta, Chineke wee site n'ihe nke fọdụrụ n'ubi Boaz gboo mkpà ya. Ndị nke Chineke ka na-echeta kwa ndị nọ ná mkpà nke ihe a na-ahụ́ anya, ma karịa ndị mkpà nke ihe ime mmụọ na akpà. Ọ dị mkpà irubeisi ọbụná n'ihe nke dị ntà, ma ọ bụghị otú a agaghị anara onyinye ha. Chineke ka na-achọ kwa nrubeisi; ma anyị na-agụ na 1 Samuel 15:22, "Ige nti di nma kari ichuàjà."

**Ụbọchị nke Pentikọst**

Ememe nke kachasị ebube n'ememe niile nke Pentikọst amataworo bụ nke Ụbọchị Pentikọst ahụ, nke edere n'Ọlu Ndị-ozi isi abụọ. Ọ bụ iri ụbọchị ise n'otù hour ahụ ("Ọ bu oge hour nke atọ n'ụtụtụ") mgbe akpọgidesịrị Kraist n'obe.

Jisọs, Nwa-atụrụ Ngabiga anyị, ka egburu n'oge a na-egbu anụ nke Ngabiga. Eliri Ya ma O si n'ọnwụ bilie n'ụbọchị nke atọ ịbụ "nkpuru mbu nke ndi daworo n'ụra ọnwụ" (1 Ndi Kọrint 15:20).

Tupu Ọ rịgoro n'Eluigwe, Ọ gwara ndị ná-eso ụzọ Ya na a ga-eji Mmụọ Nsọ mee ha baptizim mgbe ọtụtụ ụbọchị ná-agaghị agabiga (Ọlu Ndị-ozi 1:5). Ha amataghị oge ọ ga-abụ, kama ha na-echere nime ụlọ elu ahụ dị na Jerusalem dịka Jisọs gwara ha mee. Ọlụ Ndị-ozi, isi mbụ amaokwu iri na anọ (14), ná-agwa anyị na ha "ji otù obi nọgidesi ike n'ekpere." Ha na-anụ ọkụ n'obi ịgbasa Oziọma ahụ, ma Jisọs agwawo ha rị ka ha "chere nkwa nke Nna-Ya" (Ọlu Ndi-ozi 1:4).

Dịka ụbọchị ememe ahụ na-abịaru nso, ná-arụghị ụka obi ha ga-ejupụtaworị n'otuto ọ bụghị náání n'ihe Chineke mewooro ha kama n'ihi mkwà banyere onyinye ahụ bụ Mmụọ Nsọ nke ekweworo harị ná mkwà. Ha nọ nime ụlọ elu ahụ n'otù olu na n'otù obi, na mberede ụzụ dịka nke óké ifufe nke ná-efesi ike wee site n'Eluigwe jupụta n'ụlọ ahụ. Ha niile jupụtara na Mmụọ Nsọ malite ikwu n'asụsụ dị iche iche dịka Mmụọ ahụ na-enye ha ike ikwuwa okwu.

N'etiti ìgwe mmadụ ahụ ndị zukọtara n'obodo ahụ n'ihi ememe ahụ bụ ndị sitere n'obodo dị iche iche. Mmadụ ndịa niile na-anụ, onye ọ bụla ka a na-asụ asụsụ nke aka ya, ka ndị ná-eso ụzọ Jisọs na-ekwu banyere ọlụ ebube nke Chineke. Dịka ihe a na-ahụ́ anya si dị ọ gbagwojuru ha anya ha chekwara échìchè banyere nke a; ma Pita ebe o jupụtara n'ike nke Mmụọ Nsọ, malitere ịgwa ha okwu Chineke. Ọ gwara ha na ọ bụ mmezu nke amụma Joel. Dịka ọ na-ekwụsara ha ihe banyere Jisọs ha nwere amamikpé n'ihi mmehie ha, ewee zọpụta puku mmadụ atọ n'ụbọchị ahụ. Lee Pita dị iche site na Pita ahụ onye gọnarịrị Onyenwe ya ìzù ụkọ ole na ole tupu ụbọchị a!

**Ekwere Ya ná Mkwà nye Anyị**

Pita gụkọrọ ndị nsọ nke ụbọchị taa mgbe o kwuru na onyinye nke Mmụọ Nsọ ahụ bụ ihe ekwere ná mkwà nye "ndi niile nọ n'ebe di anya, ka ha ra, bụ ndị Onye-nwe-ayi Chineke ayi gākpọtara Onwe-ya" (Ọlu Ndị-ozi 2:39). Ọ dị mkpà taa nye ndị nke Chineke ịnata ike nke Mmụọ Nsọ dịka ọ dị kwa nye ndị ná-es ụzọ Ya ịnata ya.

Dịka mkwà niile nke Chineke si dị, mmadụ aghaghị ime ihe Ọ chọrọ ka o wee nata ike ahụ. Azọpụtara ndị ná-eso ụzọ Ya, ha na Jisọs yikọkwara jee ijè ihe karịrị arọ atọ. Emesịa O kpeere nna Ya banyere ha: "Were ezi-okwu do ha nsọ okwu-Gi bu ezi-okwu" (Jọn 17:17). Mgbe nke a gasịrị agwara ha ka ha chere mkwà nke Nna ahụ, bụ baptizim nke Mmụọ Nsọ.

Otù aka ahụ kwa n'ụbọchị taa, mmadụ ga-abụ onye jikeere ịnata baptizim nke Mmụọ Nsọ. Ọ bụghị náání mmadụ inwe nzọpụta kama a ga-edo kwa onye ahụ nsọ, ọlụ amara nke abụọ doro anya. Mgbe azọpụtara mmadụ asachapụwo mmehie ya niile. A na-eme obi ya ka ọ dị ọcha site n'Ọbara ahụ n'odudo nsọ. Emesịa mgbe onye ahụ chọrọ ya n'obi ziri ezi ọ pụrụ ile anya Onye nke Atọ nime Trinity ahụ ịbata wee biri kwa nime obi ya.

Ọ bụ ihe mnwapụta dị óké ebube nke mmadụ pụrụ inwe. Ọ chọrọ mgbali na iji obi chụọ àjà niile, n'ihi na ọ bụghị náání na Ọ na-enye ike ijéozi kama Ọ na-eme kwa ka onye ahụ jikere maka ọbịbịa Jisọs ma ọ bụrụ na ọ na-aga n'iru n'ijé ijè n'ìhè nke Okwu Chineke. A na-enye ya n'otù ihe ịgba àmà ahụ dịka ọ dị n'Ụbọchị Pentikọst – nke bụ ikwu okwu n'asụsụ dị iche iche dịka Mmụọ Nsọ ahụ ná-enye ike ikwuwa okwu – ma mmadụ enweghị ihe àmà ahụ apụghị ikwu na o nwere baptizim ahụ.

Ná nzọpụta mmadụ na-anata ọ̀tụ̀tụ̀ nke mmụọ nke Chineke, n'odudo nsọ ọ na-anata nke dị ukwuu karịa, ma na baptizim nke Mmụọ Nsọ ọ na-ejubiga ma ná-eru kwa eru. Ngọzi nke dị ukwuu karị otú ọ pụrụ ịnagide ka a na-awụpụrụ ya. Ekwuwo ya sị, "N'odudo nsọ ị nwere ịgba-àmà nke Mọ ahụ, iku ume nke Mọ Nsọ ahu na-ekusa gi; ma na baptizim nke Mọ Nsọ, ike ahụ na-aridakwasi gi nime onwe-gi dika Miri di Ndu nke na-eru eru."

**Ihe Mmụta Anyị**

N'ụbọchị taa ụmụ Chineke adịghị echere tutu ruo ụbọchị ememe ma ọ bụ iche onwe ha n'iru Ya náání ugbò atọ n'arọ̀. Ha na-eji obi ha chụọ àjà kwa ụbọchị nye Onyenweanyị. Ha na-enye mkpụrụ mbụ niile ha, ọ bụghị náání otù ụzọ n'ụzọ iri -- otù ụzọ nime iri nke ihe ha nwere bụ nke Chineke – kama ụtụ nke onyinye afọ ofufo niile, dịka Chineke gọziri ha. Ha adịghị enye náání ihe ahụ ha na-anata n'ụgwọọlụ kama ha na-enye kwa oge, talent, na ihe ọlụ, dịka onyinye nke ùkwù ọka ahụ, ọ ga-eme ka ndụ ha niile bụrụ ihe edoro nsọ. "Sọpuru JEHOVA site n'akù-gi, site kwa na nkpuru mbu nke ihe omume-gi nile" (Ilu 3:9).

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Ọ̀ bụ ugbò ole n'arọ ka ha ga-eche onweha n'iru Chineke?
2. Kpọọ aha abụọ ọzọ nke a na-akpọ ememe Pentikọst.
3. Òlee ihe ọ na-echeta?
4. Òlee otú Ụbọchị Pentikọst si dị iche n'ememe ọzọ niile nke Pentikọst?
5. Gịnị ka ndị ná-eso uzọ Ya natara n'ụbọchị ahụ nke bụ kwa

ihe ekwere anyị ná mkwà?

6. Ònye bụ kwa mkpụrụ mbụ nke ndị dara n'ụra ọnwụ?
7. Òlee ụzọ anyị pụrụ isi nye mkpụrụ mbụ anyị.